# ALAEZE NKE KRAIST N’ELUỤWA

**Zekaraia 6:12, 13; 12:9, 10; 14:4-21.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 428**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN’ISI: “Ya onwe-ya gēwu ulo uku JEHOVA; ọ bu kwa ya onwe-ya gēburu ebube nile, nọdu nāchi n’oche-eze-ya; otù onye-nchu-àjà gādi kwa n’oche-eze ya: ndum-ọdu gādi kwa n’etiti ha abua” (Zekaraia 6:13).**

**I Amụma Dị icheiche Banyere Ọbịbịa nke Ugbò Abụọ nke Kraist**

1 Okwu nke Joshua onyenchụàjà kwuru, na ịmalite kwa òfùfè ọzọ na Jerusalem bụ amụma dị icheiche banyere Kraist na alaeze Ya nke gaje ịbịa, Zekaraia 6:12, 13; 3:8, 9.

**II Mkpughe nke Kraist**

1 Mgbe ụsụndịagha nke ụwa gaagba Jerusalem gburugburu, ndị Ju gaetiku Mesaia ha mgbe ahụ Jisọs gaabịa ná Mkpughe Ya, Zakaraia 12:9, 10; 14:1-3; Malakai 3:2-6.

2 Mpụta ìhè nke Kraist gaabụ n’elu Ugwu Olive, Zekaraia 14:4; Ọlu Ndi-ozi 1:9-12.

3 Óké alaọma jijiji gaadị, Ugwu Olive gaagbawa abụọ, óké ndagwurugwu ewee dị n’etiti ha, Zekaraia 14:4, 5.

4 Mpụta ìhè nke Onyenweanyị, ndịnsọ Ya gaeso Ya, Zekaraia 14:5; Nkpughe 17:14; 19:11-16; Jud 14.

5 Imemkpatụ dị óké egwù nke ihe ekèrèèkè gaeso ọbịbịa nke Kraist, Zekaraia 14:6-8; Abù Ọma 50:3, 4; Matiu 24:29, 30; Mak 13:24, 25; Nkpughe 6:12-17; 16:18-21.

**I Ọchịchị Puku Arọ nke Kraist**

1 Kraist gaachị n’ike n’ebube n’ụwa dum, Zekaraia 14:9; Abù-Ọma 22:27; Ndị Filipai 2:10, 11.

2 Agaemeri ụsụ ndịagha niile nke ụwa, Jerusalem ewee bụrụ ebe obibi nke egwu náadịkwaghị, Zekaraia 14:10-15; Jeremaia 23:5, 6; Nkpughe 19:11-21.

3 Mba niile gaabịa Jerusalem ifè òfùfè maọbụ enye ha ahụhụ Zekaraia 14:16-19; 8:20-23; Aisaia 66:23; Maika 4:1, 2; Habakuk 2:14.

4 IHE NSỌ JEHOVA NWERE gaabụ okwu nke mmadụ niile maara nkeọma n’oge ebube ahụ, Zekaraia 14:20, 21; I Ndi Tesalọnaika 3:13.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Ọ bụghị ọtụtụ ihe ka amaàrà banyere Zekaraia Onyeamụma. N’oge ndọtan’agha nke Ndị-Ju gaa na Babilọn, Zekaraia bụ otù nime ndị laghachiri na Jerusalem maka iwughachi Ụlọukwu Jehova. Ndị-Ju bụ ndị ogbenye bụrụ kwa ndị náadịghịike, ma ndị náakpagbu ha ka dị kwa ike ma nwee kwa ume. N’ihi nke a enweghị olileanya na mwute nke obi megidere ịnụọkụ nke ndịa si mba ọzọ lata. Ka ewee gba okwukwe ha nime Chineke ume, na itute ịnụọkụn’obi ha n’iwughachi Ụlọ Jehova na ime ka amalite kwa òfùfè ọzọ bụ ọlụ chere Zekaraia n’iru. N’ime nke a o nyere ụfọdụ nime nkwa ndị ahụ dịkarịsịrị ebube banyere Mesaia ahụ na ụfọdụ nime amụma dị icheiche eburu nke náakọwa banyere ọbịbịa nke Mesaia n’oge Mkpughe Ya dịka ekwuru ya n’Okwu Chineke.

**Alaka ahụ**

Enyere Zekaraia ndụmọdụ ka o were okpueze nke eji ọlaọcha na ọlaedo mee, chọọ Joshua bụ́ onyeisinchụàjà mma, kwusaa kwa ihe banyere ya dịka ụdị nke Alaka Ahụ. Joshua bụ onye gaahụ maka iwuchapụ Ụlọukwu Jehova ahụ, agaechi ya echichi onyenchụàjà nke náachịachị. Na Zekaraia 3:8, 9, anyị matara na ONYENWEANYỊ JEHOVA, bụ IHEOPUPU (ALAKA) ahụ, Ya ka agaeme ka Ọ pụta ibupụ ajọomume nke ala ahụ n’otù ụbọchị. Dịka esi gbaa Joshua ume iwughachi Ụlọukwu Jehova na

ime ka ifè eze òfùfè malite kwa ọzọ na Jerusalem, otú a nime ụbọchị ndịa ka ezi Onyeisinchụàjà ahụ, Jisọs Kraist gaabịaghachi n'ụwa nke a ọzọ ịmalite Alaeze Ya, ọ bụ Ya gaeduzi ma chịa kwa n'ụwa nka.

**Eburu Amụma banyere ihe dị icheiche dị Óké Egwụ nke gaje ime**

N'oge ndụ nke Zekaraia na nime akụkọ nke ndị Israel, ndị Chineke arọpụtara enwewo ọtụtụ mkpagbu na iruuju. Ma dịka Mmụọ Nsọ kpaliri n'obi Zekaraia ide, o kwuru ihe banyere oge mkpagbu nke Israel bụ́ nke gaadị ukwu karịa nke ha nweworo. N'eziokwu ọ gaabụ oge ahụ mgbe ụsụndịagha niile nke ụwa gaejikọta onweha imegide Jerusalem, obodo ahụ n'onweya gaahụ óké ahụhụ nke mere na ọ bụ náánị nkera nke ndị bi nime ya gaafọdụ. Tutu óké ihe ndịa emee, anyị matara site n'amụma ndịọzọ na Nwanyị ahụ Anaalụọhụụ nke Kraist gaabụworị onye ewepụrụ site n'ụwa wee bànye n'ọñụ nke Nrianyasị nke Ọlụ̀lụ̀ Nwunye nke Nwaatụrụ ahụ. N'oge a agọziriagọzi nye ndị nsọ, ka óké mkpagbu ahụ ganaadị n'elu ụwa n'uju ya. Agaemezu oge nke Ndị Mbaọzọ, ma n'oge nke óké mkpagbu a ka ndị Ju gaetiku Mesaia ha n'ikpeazụ.

Ná mmalite nke mkpagbu a o gaadịrị ndị Ju mfé n'ihi na ha na "onye ndú nke gaje ịbịa," onye ahụ nke náemegide Kraist gaagba ndụ. Ma dịka Daniel si bue n'amụma, onye ahụ náemegide Kraist gaemebi ọgbụgbandụ ahụ n'etiti nke oge mkpagbu ahụ (Daniel 9:27). Ọ gaechigharị megide ndị Ju, ọ gaanọdụ kwa n'Ụlọukwu Chineke naegosị onweya dịka Chineke (2 Ndị Tesalọnaika 2:4).

Ụwa dum gaenwe óké mkpagbu nke anaahụbeghị na mbụ ma n'ebe ndị-Ju nọ ọ gaadị njọ karị. Ndị-Ju gaenwe iruuju karịa ka ha nweworo n'akụkọ nhujuanya niile ha, n'eziokwu, ụzọ abụọ nime ụzọ atọ nke ndị Ju niile dị ndụ mgbe ahụ gaanwụ (Zekaraia 13:8). N'oge a nke amaarà dịka oge mkpagbu Jekob, ndị-Ju ndị fọdụrụ gaetiku Onyenweha gaanara kwa Kraist dịka Mesaia ha. "M'gāwukwasi kwa n'ulo Devid na n'aru onye bi na Jerusalem, mọ nke amara na arịrịọ-amara nile; ha gēlegidekwam anya, bú Onye ha mapúworo amapú: ha gēti-kwa-ra ya aka n'obi, dika madu si eti-kwa-ra nwa-nwoke amuru nánị ya aka n'obi" (Zekaraia 12:10).

Mgbe ha gaahụ akàrà niile nke Kalvarị n'aka Jisọs ha gaajụ sị "Gini bu ntiputa-ọnyá ndia n'etiti aka-gi abua? Ọ gāsi kwa, Ha bu ọnyá etiputaram n'ulo ndi nāhum n'anya" (Zekaraia 13:6). Ọ gaabụworị site n'óké ahụhụ dị egwù ka otù ụzọ n'ụzọ atọ nke ndị-Ju a fọdụrụ gaeji chigharịkwute Kraist ewee zọpụta ha (Ndi Rom 11:26, 27). "M'gēme kwa ka uzọ nke-atọ ba n'ọku, M'gānucha kwa ha dika esi anucha ọla-ọcha, nwa ha dịka esi anwa ọla-edo: ndi ahụ gākpọku aha, Mu onwem gāza kwa ha: M'gāsi, Ndi nkem ka ọ bu ndi ahu gāsi kwa, JEHOVA bu Chinekem" (Zekaraia 13:9).

**Mkpughe ahụ**

Mgbe Onyenweanyị Jisọs gaabịaghachi ọzọ n'ụwa a ná Mkpughe ahụ, Ọ gaeguzo n'Ugwu Olive, n'otù ebe ahụ nke o si rigo n'Eluigwe; ma ugbu a Ọ naabịa dịka Eze ukwu náemeriemeri nke ndị eze niile na Onye Nwenu Kachasị ndị nweun. Mkpughe Ya gaeweta ime mkpatụ dị ukwu n'ebe ihe èkèrèèkè dị, ala gaama jijiji, mee ka Ugwu Olive kewaa abụọ ma nwee óké ndagwurugwu; anyanwụ gaagba ọchịchịrị, kpakpando niile gaada kwa (Nkpughe 6:12-17). Kraist gaabịa ya na ụsụndịagha niile nke Eluigwe naagba ịnyịnya ọcha. Nzube nke ndị ahụ n'agha ahụ gaatụgharị, n'ihi na Onyenweanyị gaeji igbu maramara nke ọbịbịa Ya gbue ụsụ niile nke ndịagha nke ụwa dum, "anu-aru-ha nile n'otù n'otù gātasi ata mgbe ha onwe-ha nēguzo n'ukwu-ha, anya-ha gātasi kwa ata n'oghere ha, ire ha gātasi kwa ata n'ọnụ-ha. **Nke ka ana-akpọ** Agha Amagedon ahụ dị egwù nke aga-etigbu ùsù nile nke ndi-agha nke uwa nime ya, **nnụnu nile nke elu-igwe ka aga-akpọ ị bia rie anu-arụ ha (Nkpughe 19:14-21). Agaemeri onye ahụ naemegide Kraist na onyeamụma ụgha ahụ ma kee ha agbụ tụba kwa ha n'olùlù ahụ nke naenweghi nsọtụ otù puku arọ** (Nkpughe 20:1-3). N'oge ibuagha a dị ukwu ike niile nke mmehie na ọchịchịrị kwa ka agaetiwa, agaanapụta kwa Jerusalem, Kraist ewee guzobe Alaeze Ya iduzi na ịchịachị Ya na ndịnsọ Ya.

**Ọchịchị nke Otù Puku Arọ**

Mmadụ niile n'oge ahụ gaachọ otù isiọchịchị n'ihi na onyeisi nke ọchịchị ahụ gaabụ Kraist. Ndịnsọ niile bụ́ ndị so Ya laghachi n'ụwa gaachị ọchịchị n'okpuru Ya, ụfọdụ gaachị obodo ise, ụfọdụ gaachị obodo iri. Site n'ebeọgụgụ anyị, anyị hụrụ na onye ọ bụla nke fọdụrụ site ná mba niile ndị biliri imegide Jerusalem gaarịgo kwaarọ kwaarọ ịkpọisiala nye Eze ahụ, Jehova nke ụsụ niile nke ndịagha, na ime Ememe nke Ụlọntu. Ememe Ngabiga ka emezuworo na Nwaatụrụ nke Kalvarị; Ememe nke

Pentikọst ka emezuru mgbe ahụ awụsara Mmụọ Nsọ; ugbu a anyị naeleanya Ememe Ụlọntu nke agaemezu n'oge ọchịchị nke otù Puku arọ. N'okpúrù iwu nke Moses, Ememe Ụlọntu bụ oge mgbe ndị ahụ náamụ Iwu ahụ site n'ọnụ onyeisi nchụàjà. Onyeisi Nchụàjà Ukwu anyị bụ́ onye nke baworo nime Eluigwe gaabịa iguzobe Ocheeze Ya na Jerusalem, Iwu gaesi kwa n'ọnụ Ya pụta, mba niile nke ụwa gaabịakwute kwa Ya. "N'ihi na Zaiọn ka iwu gēsi puta, okwu JEHOVA gēsi kwa na Jerusalem puta O gēkpe kwa ikpé n'etiti mba nile, dozi-kwa-ra ọtutu ndi di iche iche okwu-ha" (Aisaia 2:3, 4).

Tụlee ụdị oge dị ebube nke ahụ gaabụ. Baịbụl naagwa anyị na ala ihe náadịghị "gāgbawa kwa okoko ọhịa dịka rose"; ma agaghị enwe ihe ewetara n'ubi dị ukwu dibiga ókè nke gaebibi n'ebe anaekpofu ahịhịa, ma onye ọ bụla gaenwe iheoriri gaezuru ya. Agaghị enwe anụọhịa jọgburu onweha n'oge ahụ, n'ihi na "anu-ọhia wolf na nwa-aturu gātakọ nri n'otù, ọdụm gāta kwa ahihia dika ehi: ma agwọ, ájá gābu nri-ya. Ha agagh-eme ihe ọjọ, ha agagh-ebibi kwa, n'ugwu nsọm nile, ka JEHOVA siri" (Aisaia 65:25). Agaebupu nrịanrịa n'ụwa, n'ihi na agwara anyị: "Mgbe ahụ ka agēmeghe anya ndi-ìsì, ọ bụ kwa nti nke ndi nti chiri ka agēmeghe. Mgbe ahụ ka onye-ngwurọ gāmali dika ele, ire onye-ogbi gēti kwa nkpu ọn̄ù" (Aisaia 35:5, 6). Agaebibi ngwaagha niile nke ịlụ agha. "Ha gākpughari kwa mma-agha-ha nile ka ha buru mma-ogè, na ube-ha nile ka ha buru mma-ikwa osisi: mba agagh ebuli mma-agha megide mba, ha agagh-amuta kwa agha ọzọ" (Aisaia 2:4. Mgētaghari kwa egwu ọn̄ụ n'aru Jerusalem, obi gātọkwam utọ n'aru ndim: agagh-anu kwa olu ikwa-akwa nime ya ọzọ, ma-ọbụ olu iti-mkpu" (Aisaia 65:19).

**Ihensọ Jehova Nwere**

Ihe niile emeruruemeru agaghị adị kwa na Jerusalem, ọ gaabụ kwa ihe nsọ dịrị Jehova. Ịnyịnya nke anaasị na ọ bụ anu eji ebu agha na nke ịwụsa ọbara agaghị abụ kwa ihe agaeji lụọ agha ọzọ n'ọgbọ ọhụụ ahụ. Ha gaabụ ihe ewepụrụ iche iji lụọ náánị ọlụ Jehova bụ́ onye agaedekwasị aha Ya n'elu atañ maọbụ n'elu ihe dị mbara dịka nke onyenwe ya. Otù ihe ndepụta a "IHE NSỌ JEVOHA NWERE, ka ahụrụ n'elu ihe dị mbara nke ọlaedo n'ákwà nkukuisi nke onyeisi nchụàjà (Ọpupu 28:36-38) iji gosi ya dịka onye edoworo nsọ nye n'ịlụọlụ Jehova. Itè maọbụ arịa niile nke eji alụọlụ náabụghị ọlụ nke òfùfè maọbụ nke náadịghị mkpà n'oge ịbụ onyenchụàjà nke Iwu Moses ka agaagụ n'oge ọhụụ ahụ ka ihe dị nsọ dịka ọkwá ahụ eji anara ọbara nke anụ niile ahụ eji achụàjà. N'eziokwu, ala ahụ niile na ihe niile dị nime ya gaabụ ihe nsọ dịrị Jehova.

**Iketa Òkè**

Mgbe anyị naamụ Baịbụl anyị adịghị achọ iwere ya dịka ọ bụ akụkọ nke ihe mere na mgbe ochie, maọbụ ịmụ ihe niile eburu náamụma na ha gaeme dịka ọ gaje ime n'oge dị anya nke ukwu n'ọdịn'iru bụ nke anyị náapụghị ịhụ mgbe anyị ka dị ndụ. Ọ bụ ihe apụrụ ime na onye ọ bụla nime anyị gaeketa òkè n'oge a dị ebube nke Ọchịchị Udo nke Kraist.

Òlee otú anyị gaesi mata nkeọma na anyị gaenwe ohere ịnọ n'ebe ahụ ịn̄ụrịọn̄ụ n'ọtụtụ ngọzi nke ụwa a náenweghị kwa ọbụbụọnụ, náenweghị agha na akụkọ agha, na ndọrọndọrọ nke onye ka ibe ya n'ịkpụ na ikpokọta ngwaagha? Baịbụl naagwa anyị ka anyị náele anya ma jikere kwa maka Mwelikọ na nzuzo nke ndịnsọ. Ịdị njikere maka Mwelikọ ndịnsọ anyị aghaghị ịbụ ndị mmeri zuruòkè, ma anyị ka naebi ndụ n'ụwa a maọbụ na anyị agaabigawo site na ndagwurugwu nke onyinyo ọnwụ wee bụrụ ndị eliworo arụ anyị n'ala. N'oge Mwelikọ ndịnsọ ndị niile nwụrụ nime Kraist gaebu ụzọ si n'ílì bilie anyị onweanyị bụ́ ndị dị ndụ ndị fọdụrụ ka agaewelikọ izute Onyenweanyị na n'elu. Mwelikọ nke ndịnsọ, gaebuba anyị ná Nrianyasi nke Ọlụ́lụ́ nwunye nke Nwaatụrụ ahụ ebe anyị gaagbanarị óké mkpagbu ahụ nke gaabịkwasị ụwa. N'ọgwụgwụ nke Nrianyasi nke Ọlụ́lụ́nwunye nke Nwaatụrụ ahụ, anyị onweanyị gaeso n'etiti ndị ahụ gaanọkwasị n'elu ịnyịnya ọcha n'ụsụ ndịagha nke Onyenweanyị nke naabịghachi n'ụwa nka. Ijikere maka Mwelikọ nke ndịnsọ bụ ihe gaeme ka o doo anyị anya na anyị gaeketa ókè ná ngọzi niile nke Ọchịchị Udo ahụ nke anyị na Kraist gaeso chịa otù puku arọ.

O lee ụdị oge dị ebube nke naechere ndị niile ahụ ndị jikeere iso ụzọ ahụ dịala nke Obe mgbe ha ka nọ ná ndụ nke a! Ụzọ umeala a nke iso Jisọs nime ndụ eziomume na ịdị nsọ naeduba n'oge ahụ dị ebube mgbe anyị na Ya gaebilikọ n'otù ma soro kwa Ya chịa. Mgbe anyị ketasịrị òkè ná ngọzi niile ndịa otù Puku arọ, Chineke gaenye kwa anyị ọbụná ngọzi karịrị ukwu n'ihi na mgbe ahụ Ọ gaeme eluigwe ọhụụ na ụwa ọhụụ ebe anyị gaanọ n'ọn̄ụ rue mgbe ebighị ebi. Ihe ndịa akwadowooro anyị bụ ihe anyị agaghị

enwe ike chepụta nime échìchè anyị niile, n'ihi na "Ihe anya nāhugh, nke nti nānugh kwa, nke nābgh kwa n'obi madu ka ha ra, bú ihe Chineke doziri ndị hụrụ Ya n'anya."

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Gịnị bụ aha maọbụ ọkwá nke enyere onyeisi nchụàjà ahụ nke bụ ụdị Kraist, Onyeisi nchụàjà anyị?
2 N'ebe ọgụgụ anyị, gịnị ka eburu n'amụma nke náekwu ihe banyere ịhụ ahụhụ nke Kraist?
3 Gịnị gaabụ ọnọdụ imemmụọ nke ndị-Ju ahụ bụ́ ndị nọ ná ndụ n'oge mbịaghachị nke Onyenweanyị?
4 Òlee ndị gaeso Kraist bịaghachị? maọbụ Ọ̀ gaabịa náání Ya?
5 Kọwaa ihe gaeme n'ihe ekèrèèkè na n'ụsụ niile nke ndịagha nke ụwa mgbe ahụ Onyenweanyị gaapụta ihe?
6 Kọwaa otú ọchịchị nke puku arọ ahụ gaesi dị.
7 Òlee otú ọ gaesi doo anyị anya nkeọma na anyị gaanọ n'ụwa nke a ịñụrịọñụ ná ngọzi niile nke Ọchịchị nke otù Puku arọ ahụ?